# Mkpalite Mmụọ Ụmụ Akwụkwọ Sekọndịrị N'ọmụmụ Asụsụ Igbo na Zoon Agụmakwụkwọ nke Abakaliki, Steet Ẹbọnyị

Nwigwe Nwakaego
*Department of Arts and Social Science Education, Ẹbọnyị State University, Abakaliki.*

**Ụmị**

Nchọcha a bụ nke e mere iji chọpụta otu mkpalite mmụọ dị ka akọrọ ngwa si ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zoon agụmakwụkwọ nke Abakaliki na steet Ẹbọnyị. Nchọcha a nwere ajụjụ ise gbara ọkpụrụkpụ, gbasokwaa usoro nchọcha adịm nke nkọwasị. Nchịkọta ọsịsa e nwetara na-egosi na inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu ga-enye aka n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo, iwe ụmụ akwụkwọ ndị gụchara akwụkwọ na mahadum n'ọrụ ozugbo ha fechara ala nna ha ga-enye aka n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo, inye ụmụ akwụkwọ ego mmachi akpa ga-ewulite mmasị ha n'ịgụ asụsụ Igbo na ihe ndi ọzọ. Site n'ihe ndị a, a chọpụtara, ọchọcha nyere ntụta aro ndị a gụnyere; e kwesiri ịdị na-enye ụmụ akwụkwọ ndị na-agụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ohere ịgụ akwụkwọ n'efu, iji mee ka ha na-enwe mmasị n'asụsụ Igbo. E kwesiri inye ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ọrụ ozugbo ha gụchara akwụkwọ. Inwe ụbọchị a họpụtara maka emume ndị Igbo na inye ihe nrite na ihe ndi ọzọ. Ihe ndị a niile ga-enye aka ịhụ na e mejupụtara ebumnuche nkụzi na ọmụmụ asụsụ na omenala Igbo n'obodo Naịjirịa.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** mkpalite mmụọ, mmasị, ụmụ akwụkwọ, agụmakwụkwọ, Igbo, Ẹbọnyị.

## Mkpọlite

Uru mkpalite mmụọ bara n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ ihe ọ bụla n'ụlọ akwụkwọ abụghị ihe a ga-eleghara anya. N'ihe ọ bụla mmadụ na-eme na ndụ ya, mkpalite mmụọ dị mkpa nke ukwuu ime ka onye ahụ nwee mmasị, tinye uchu n'ihe ahụ ọ na-eme, nke ga-eme ka onye ahụ na-eme nke ọma. Hornby (2020) kọwara na mmasị pụtara ọnọdụ inwe agụụ na ọchịchọ ịmata ihe banyere mmadụ. O kwuru na tupu mmadụ enwee mmasị n'ihe ọ bụla, ọ ga-enwerịrị ihe nrite dị n'ihe ahụ nke ga-eme ka onye ahụ nwee mmasị ahụ. O nweghi ka mmadụ nwee mmasị n'ihe ọ bụla na-abụghị sọ n'ihe ahụ onye ahụ ga-erite. Ya bụ, ọbụrụ na onweghi ihe mmadụ ga-erite n'ihe, onye ahụ agaghị enwe mmasị n'ihe ahụ.

N'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche, ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị n'ịmụ ihe ọmụmụ banyere ọgwụ ma ọ bụ ọka ikpe n'ihi ihe nrite dịka ego, ugwu na nsọpụrụ nke ndị ọha obodo na-enye ndị bụ ọkaikpe na dibịa Bekee. Ya bụ, a na-asị na ego na nkwanye ugwu na ihe nrite ndị ọzọ bụcha mkpalite mmụọ n'ịgụ banyere iwu, ọgwụ na ọgwụgwọ n'ụlọ akwụkwọ. Site na nkọwa nke e nyere ebe a, Cole (2014) kwenyere na ọchịchọ na mkpa ụmụ akwụkwọ bụ ka ha baa ụba, nwee ego na ndụ ha, nke mere o ji dị mkpa na ha nwere mkpalite mmụọ na mmasị n'ihe ọmụmụ ha, nke ga-eme ka ha mejupụta ebumnobi ha n'agụmakwụkwọ.

Denga (2015) kọwara mkpalite mmụọ dị ka usoro e si ahazi omume mmadụ. Mmadụ na-eme omume ugboro ugboro ma ọ bụrụ na o nwere ihe nrite ọ na-enwete site n'ime omume ahụ. Nwude (2017) kọwara mkpalite mmụọ dị ka usoro e si enweta afọ ojuju n'ihe ọ bụla mmadụ na-eme. N'agụmakwụkwọ, mkpalite mmụọ bụ ihe na-enye ndị ọrụ nkwado n'imejupụta ebumnuche

nke agụmakwụkwọ. Mkpalite mmụọ na-eme ka onye na-arụ ọrụ na-eme nke ọma n'ọrụ ya, ebe nwata akwụkwọ ga-emekwa nke ọma n'ule ya. Ọchọcha kwenyere na mkpalite mmụọ bụ ihe na-akwalite mmadụ ime ihe ọ chọrọ.

Ya mere na a ga-akwado ụlọ akwụkwọ ka ha na-etinyekarị anya n'ihe ndị ahụ nke ndị na-ahazi maka agụmakwụkwọ ga-eji na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ ma ọ bụrụ na ha chọrọ ka ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ na-eme nke ọma ọkachasị n'ihe ọmụmụ dị ka asụsụ Igbo nke ụmụ akwụkwọ anaghị enwe mmasị ịgụ. Mkpalite mmụọ bụ 'ide ji isi ụlọ' n'agụmakwụkwọ ọ bụla. Ọ bụ ya ga-eme ka ụmụ akwụkwọ mee nke ọma, wepụta ekeruche ha n'ụlọ akwụkwọ. Ajụjụ wee bụrụ, kedu otu anyị ga-esi mata na ụmụ akwụkwọ enwetala mkpalite mmụọ n'ihe ọmụmụ? Ha ga na-ege ntị nke ọma, ha na-etinye uchu n'ọrụ ọ bụla e nyere ha na klaas, ha na-aju ajụjụ, azakwa ajụjụ na klaas, ha na-abịa akwukwo n'oge, enwe obi aṅụri dịkwa na nkwadebe ịmụta ihe.

Palmer (2017) na-akọwa na mmụta agaghị adịire ma ọ bụrụ na ụmụ akwụkwọ enweghi mkpalite mmụọ n'ụzọ o kwesiri. Ọ gakwara n'ihu ịtụpụta atụmatụ ise ga-enye ụmụ akwụkwọ mkpalite mmụọ. Ha gụnyere ihe ndị a: ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi, ndịna, usoro na nka nkụzi na ebe a na-amụ ihe. Ọmụma atụ, nwata akwụkwọ ga-enwerịrị ike, mmasị nakwa mbamuru agụmakwụkwọ. Onye nkụzi ga-abụ nke a zụrụ nke ọma, nwee ike ịkpalite mmụọ nwata akwụkwọ tinye ya uche n'agụmakwụkwọ ya. Ndịna ihe a ga-amụ ga-adị n'usoro bụrụkwa nke gbasaara gburugburu ha. Ọdịmma nwata akwụkwọ , usoro na nka nkụzi ga-abụ nke ga-akpalite mmụọ nwata akwụkwọ, enye ha nkwado, tinyekwa ngwa nkụzi nke ụmụ akwụkwọ ga-eji amụ ihe. Gburu gburu ma ọ bụ ebe a na-amụ ihe, n'aka nke ya ga-abụ ebe kwesiri ekwesi ịnọ gụọ akwụkwọ. Ọ ga-abụrịrị ebe dị mma ma nabata nkụzi na mmụta. A ga-enweta mkpalite mmụọ n'ozuzu oke ya ma ọ bụrụ na ụmụ akwụkwọ na-enwe ahụmihe ndị ahụ, nke na-enye ha mmasị oge ọ bụla. Durbin (2018) kọwara na ụmụ akwụkwọ na-aka eme nke ọma ma ọ bụrụ na ha enwee mkpalite mmụọ nke ọma. Truby (2010) tinyekwara oke nke ya site n'ikwu na ụmụ akwụkwọ na-aka enwe ezi mkpalite mmụọ ma ọ bụrụ na ha jiri aka ha họrọ ihe ha chọrọ ime karịa ịkwagide ha ka ha mee nke onye ọzọ chọrọ.

Ịkpalite mmụọ ụmụ akwụkwọ n'inwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo ga-enye aka ka ha na-eme nke ọma n'ihe ọmụmụ ha na klaas nakwa n'ule. Ọ bụ ihe ịgba anya mmiri na ụmụ akwụkwọ enweghi mmasị ịgụ asụsụ Igbo na mahadum n'agbanyeghi mkpa ọ dị ịgafe ya n'ule WAEC na NECO. Enweghi mmasị ndị Igbo n'ịmụ asụsụ Igbo bụ ihe kwesiri ka ọ na-ewute onye ọ bụla kpọrọ onwe ya nwa afọ Igbo na ndị na-ahazi agụmakwụkwọ na Naịjirịa. A chọpụtara na n'ọtụtụ ezina ụlọ, ụlọ akwụkwọ, ụlọ ụka na ọgbakọ dị iche iche, asụsụBekee anarala asụsụ Igbo ọnọdụ ya. Ọ bụzị naanị ndị Igbo ole na ole nwere mmasị n'asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị na mahadum.

Ụfọdụ ndị ọka mmụta na-ekwukwa na mgbali na mmeta nkeọma ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo bụ nke na-agba ọnyụpaa (Nwigwe, 2021, 2022; Nwigwe na Ndem, 2022). Ha na-ekwu na ihe na-ebute ịgba ọnyụpaa ahụ bụ enweghi mmasị nke ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ n'ihe ọ bụla gbasara asụsụ Igbo. Ihe na-ebute enweghi mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ala Igbo juru eju bara abara. Ihe ndị a gụnyere: ọnụọgụ ndị nkụzi Igbo ma ọbụ ndị gụrụ Igbo ebughi ibu, enweghi ezigbo klaas ebe a na-akụzi ma ọbụ amụ asụsụ Igbo, enweghi ngwa nkụzi, ndị nne na nna anaghị enye nkwado. Iji lee ka a mara etu a ga-esi kwọọ nwaanyị ukwu wara, ọchọcha chọrọ ile otu mkpalite mmụọ ga-esi wulite mmasị ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zoon agụmakwụkwọ Abakaliki nke steet Ẹbọnyị.

Enweghi akọrọ ngwa ndị ọgbara ọhụrụ e kwesiri iji akụzi asụsụ Igbo nke gaara ime ka ụmụ aka na-enwe mmasị n'asụsụ Igbo dị kakọmputa na ihe eserese dị iche iche bụcha ihe na-adọla aka elekere azụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụmụ akwụkwọ nọ na sekọndịrị na-adị ewezuga onwe ha n'ọmụmụ asụsụ Igbobụkwa nke ha kpọrọ ihe ọmụmụ ụmụ nwaànyị na ụmụ akwụkwọ ndị ụbụrụ ha adịghị nkọ. Ndị nne na nna na ụmụ akwụkwọ na-eleghara asụsụ Igbo anya ka asụsụ agaghị enye mmadụ ọrụ dị mma. Ndị mmadụ werezie ọmụmụ asụsụ Igbo dị ka ihe ọmụmụ nke bụ onye gụchaa ọ tọkịrị naanị n'ịkụzi ihe nke o nweghikwa ihe a na-akwụ ndị nkụzi.

N'ọtụtụ mahadum, ụmụ akwụkwọ ndị na-agụ, amụ asụsụ Igbo pere mpe. Ọnụọgụ ụmụ akwụkwọ ndị na-egosi mmasị n'ịgụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum na-alazi azụ ka naị kemgbe afọ ise gara aga, ebe ọtụtụ ụlọ akwụkwọ sekọndịrị enweghi otu mkpụrụ onye nkụzi asụsụ Igbo enweghi ngwa nkụzi nke e ji akụzi asụsụ na omenala Igbo, nke kwesiri ịdị na-akpalite mmụọ ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ya mere na ọchọcha a jiri gbaso ime nchọcha a, "Mkpalite mmụọ n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zoon agụmakwụkwọ nke Abakaliki, steet Ẹbọnyị.

Ihe bụ ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta etu mkpalite mmụọ dị kaakọrọ ngwa si ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zoon agụmakwụkwọ nke Abakaliki, steet Ẹbọnyị. Nchọcha a ga-achọ ịmata etu mkpalite mmụọ ga-esi enye aka ime ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo. Kpọmkwẹm, nchọcha a ga-achọ ịmata etu:

1. inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu maka ụmụ akwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ga-esi nyee aka wulite mmasị ha n'ịgụ asụsụ Igbo.
2. inye ụmụ akwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ego mmachi akpa ga-esi nyee aka ime ka ụmụ akwụkwọ na- enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo.
3. inye ndị gụrụ asụsụ Igbo oru ozugbo ha gụchara ga-esi nyee aka ime ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo.
4. iwepụta ụbọchị a ga-eme emume ndị Igbo na inye ha ihe nrite ga-esi nyee aka ime ka ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe mmasị n'ịgụ asụsụ Igbo.
5. inwe ndị nkụzi aka siri ike, ndị ma nke ekwe na-akụn'asụsụ Igbo ga-esi nyee aka ime ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị n'ịgụ asụsụ Igbo.

Nchọcha a gbadoro ukwu n'atụtụ okwu nke nkwalitekwu. Naylor (2012) kọwara atụtụ a dị ka mbọ mmemmekwa ọ bụla a gbara nke na-eme ka mmadụ mekwuo omume ugboro ugboro ma ọ bụ ghara ime omume ahụ ọzọ, nke nwere ike ịbụ mma ma ọ bụ njọ.

Skinner (1972) emeela nchọcha dị iche iche wee chọpụta ihe nṅomi nke ọ kpọrọ atụtụ ndebe n'ọnọdụ. Nṅomi a na-akọwa na ọ bụrụ na mmeso ọma esote akparamagwa mmadụ kpara, onye ahụ ga na-akpa ụdịrị agwa ahụ ugboro ugboro mana ọ bụrụ na mmeso ọjọọ esote akparamagwa mmadụ kpara, onye ahụ ga-akwụsị ụdịrị akparamagwa ahụ.

Atụtụ a dị ezi mkpa nyere nchọcha a n'ihi na ọ na-ekwusi ike maka ihe na-esote akparamagwa ọ bụla mmadụ kpara. Iji wulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo, a ga-enwerịrị ihe nrite nke ga-adị ha mma ịgbaso ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a bụ maka na o nweghi onye ọ bụla dị ndụ n'ụwa a na-etinye aka n'ihe agaghị amịtara ya ezi mkpụrụ. Ya bụ na ọmụmụ asụsụ Igbo ga na-amịta ezi

mkpụrụ na ndụ ndị mmadụ nke ga-eme ka ọ na-agụ ndị ntorobịa agụụ ịgụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum.

**Nchọcha e merela n'isiokwu a**

E meela ọtụtụ nchọcha iji chọpụta etu mkpalite mmụọ ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ na ịrụsi ọrụ ike nke ọma si emetụta. Alimi (2017) mere nchọcha iji chọpụta otu a ga-esi wulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ihe ọmụmụ mgbakọ na mwepụ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Ịkọm nke steet Krọọs Riva. Nchọcha ahụ gbasoro usoro adịm nke nkọwasị. O jiri ajụjụ nchọcha atọ na ụma okwu atọ mee nchọcha ahụ. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha ahụ bụ narị abụọ iri isii na ise (265). A chọpụtara na inwe ihe ọmụmụ nke mgbede n'efu, ikesara ụmụ akwụkwọ akwụkwọ ọgụgụ mgbakọ na mwepụ n'efu na inye ụmụ akwụkwọ ohere ịgụ akwụkwọ n'efu maka ndị chọrọ ịgụ ihe ọmụmụ mgbakọ na mwepụ ruo n'ogo mahadum bụcha ihe ga-eme ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ịgụ ihe ọmụmụ mgbakọ na mwepụ.

Adeyemi (2018) mere nchọcha ịchọpụta otu a ga-esi mee ka ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe mmasị n'ịgụ asụsụ Yoruba na steet Oyo. Ọchọcha gbasoro usoro adịm nkọwasị mee nchọcha ahụ. Ajụjụ nchọcha anọ na ụma okwu anọ, ka o jiri kpakọta njatụle. Ọnụọgụ ndị zara njụmaza dị narị isii na iri anọ (640). Ọ bụ usoro mgbakọ nha na ndịpụ n'izugbe ka e jiri tụchasịa njatụle. A chọpụtara na e kwesiri ịdị na-akwụ ndị nkụzi asụsụYoruba ụgwọ ọnwa pụrụ iche karịa ndị ọzọ; a ga-enye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu nyee onye ọ bụla chọrọ ịgụ asụsụ Yoruba ruo n'ogo mahadum. Ihe dị iche na nchọcha ahụ na nke a bụ n'ihe banyere ebe e mere nchọcha na ọnụọgụ e jiri mee nchọcha.

Nwachukwu (2019) mere nchọcha ịchọpụta ụzọ a ga-esi mee ka ụmụ akwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị nwee mmasị ịgụ asụsụ Frẹnch na steet Abịa. Nchọcha ahụ gbasoro usoro adịm nke nkọwasị. Ọ bụ ajụjụ nchọcha ise na ụma okwu atọ ka o jiri mee nchọcha ahụ. Mgbakọnha na ndịpụ n'izugbe ka o jiri tọsasịa ajụjụ nchọcha, jiri mgbakọ nnwale-t tọsasịa ụma okwu atọ ndị ọzọ. A chọpụtara na e kwesiri inwe ọnụọgụ ndị nkụzi Frẹnch zuru oke, akwụkwọ ọgụgụ asụsụ Frẹnch, a ga-enwe nke bụ ọpụrụ iche maka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Frẹnch tinyekwara ihe ndị ọzọ. Ihe dị iche na nchọcha a na nke ahụ bụ n'ihe banyere ebe e mere nchọcha na ọnụọgụ e jiri mee nchọcha.

Nchọcha dị iche iche e merela egosighi na e meela nchọcha banyere otu a ga-esi wulite mmasị ụmụ akwụkwọ ịgụ asụsụ Igbo na zoon agụmakwụkwọ Abakaliki na steet Ẹbọnyị. Nke a mere ka ome nchọcha a tinye uchu n'ịchọpụta mkpalite mmụọ dịka akọrọngwā n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zoon agụmakwụkwọ nke Abakaliki dị na steet Ẹbọnyị.

**Usoro a gbasoro mee nchọcha**

Nchọcha a gbasoro usoro adịm nke nkọwasị bụkwa nke Ali (1996) kwuru na ọ na-achọ, na-akọwa, na-edetụkwa ihe dị adị ma ọbụ ọnọdụ ihe ahụ a ga-eme nchọcha banyere ya. Ebe e mere nchọcha a bụ na zoon agụmakwụkwọ nke Abakaliki dị na steet Ẹbọnyị. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha a gụnyere ụmụ akwụkwọ asụsụ Igbo niile n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị na zoon agụmakwụkwọ Abakaliki. Ha dị naarị anọ (400). Ngwa nchọcha bụ akwụkwọ njụmaza nke gbasoro usoro nza ajụjụ nke Likert nke gụnyere 4=kwesiri ike (kw.i.), 3=kwere (kw.), 2=jụrụ (jụ.), 1=jụsiri ike (j.i.). Akwụkwọ njụmaza a ka e nyere ndị ọka mmụta atọ ka ha nyochaa. Ọ bụ alfa nke Cronbach ka e jiri nweta ogo ntụkwasị obì nke ngwa nchọcha dị 0.85, a hụtara na ogo ntụkwasị obì ahụ dị elu ma zuo iji rụọ ọrụ a chọrọ.

Ọchọcha na mmadụ abụọ ọ zụpụtara maka nchọcha a (ụmụ aka na-efe ala nna ha), ndị ga-enyere ya aka na nchọcha a. Ha gara n'ụlọ akwụkwọ ndị ahụ a họpụtara maka nchọcha a, wee kesaara ụmụ akwụkwọ njụmaza ahụ. Oge e jiri kesaa ma nakọta akwụkwọ njụmaza ndị ahụ were otu izuụka.

**Usoro ntọsasị njatụle**

E jiri mgbakọ nha (x) na ndịpụ n'izugbe wee sekasịa azịza njụmaza. Nhaọ bụla nke ruru 2.50 ma ọbụ karịa ka a nabatara na o metụtara nchọcha a nke ọma. N'aka nke ọzọ, mgbe nha erughi 2.50, a jụrụ ya n'ihi na a hụghị ihe a na-achọ na nchọcha a n'ime ya.

**Nchọpụta**

**Ajụjụ nchọcha 1:**

Kedu otu inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu ga-esi nyee aka ime ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo?

**Okpokpo 1: Mgbakọnha mwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo site n'inye ha ohere ịgụ asụsụ Igbo n'efu na mahadum.**

| S/N | Okwu nchọcha | Nha | Ndịpụ n'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Ịgụ akwụkwọ n'efu ga-eme ka mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo wulite. | 2.59 | 1.09 | Nabata |
| 2. | Inye nri n'efu. | 2.78 | 1.04 | Nabata |
| 3. | Inye akwụkwọ ọgụgụ n'efu | 3.03 | 1.10 | Nabata |
| 4. | Inye ụmụ akwụkwọ ego mmachi akpa | 3.03 | 1.08 | Nabata |
| 5. | Inye ụmụ akwụkwọ ego ụgbọ | 3.15 | 1.01 | Nabata |
| | **Oke nha** | **2.92** | **1.06** | **Nabata** |

Nchọpụta e mere n'okpokpo 1, gosiri na ndị nyere azịza nabatara okwu nchọcha niile n'ihi na ha nwere nha karịrị 2.50, oke nha karịrị 2.50, nke a gosiri na ndị nyere azịza nabatara na inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu na-enye aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ ịgụ asụsụ Igbo.

**Ajụjụ nchọcha 2:**

Kedu otu inye ndị gụrụ asụsụ Igbo ọrụ ozugbo ha gụchara ga-esi nyee aka ime ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo?

**Okpokpo 2: Mgbakọnha mwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo site n'inye ọrụ ozugbo a gụchara akwụkwọ mahadum**

| S/N | Okwu nchọcha | Nha | Ndịpụ n'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 6. | Iwe ụmụ akwụkwọ ndị gụchara mahadum n'ọrụ ozugbo | 2.82 | 1.16 | Nabata |
| 7. | Ibulite ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ọkwa ọchịchị steet | 3.22 | 1.00 | Nabata |
| 8. | Iwe ndị nwere nzere M.Ed. n'asụsụ Igbo n'ọrụ ndị nkụzi na mahadum | 2.70 | 1.17 | Nabata |
| 9. | Iwe ndị gụchara na mahadum n'ọrụ ụlọ mgbasa ozi. | 2.90 | 1.18 | Nabata |
| 10. | Iwe ndị gụrụ Igbo n'ọrụ Ministiri. | 2.68 | 1.03 | Nabata |
| | **Oke nha** | **2.86** | **1.10** | **Nabata** |

Nchọpụta e mere n'ime tebulu 2, gosịrị na ndị nyere azịza nabatara okwu nchọcha niile 6, 7, 8, 9 na 10 n'ihi na ha nwere miin di elu karịa 2.50, oke miin kariakwa 2.50. nke a na-egosi na ndị nyere azịza nabatara na inye ndị gụrụ asụsụ Igbo ọrụ ozugbo ha gụchara ga-enye aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.

**Ajụjụ nchọcha 3:** Kedu otu iwepụta ụbọchị  a ga-enwe maka emume ndị Igbo na taam ọ bụla ga-esi nye aka ime ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị  ịgụ  asụsụ Igbo?

**Tebulu 3: Mgbakọ nha mwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo site n'iwepụta ụbọchịa ga-enwe emume ndị Igbo n'agba agụmakwụkwọ ọ bụla  n'ụlọ akwụkwọ.**

| S/N | Okwu nchọcha | Nha | Ndịpụ n'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 11. | Ọ ga-eme ka a na-ahụta asụsụ Igbo dị ka olu ndị nke kachasị mma. | 3.30 | 1.06 | Nabata |
| 12. | Ọ ga-egosipụta mkpa na uru asụsụ Igbo bara. | 3.32 | 1.08 | Nabata |
| 13. | Ọ ga-akwalite ekike ndị Igbo. | 3.05 | 1.15 | Nabata |
| 14. | Ọ ga-akwalite egwu Igbo nye Ọhana eze. | 3.02 | 1.06 | Nabata |
| 15. | Inwe ndị nkụzi mara nke ekwe na-akụ na klaas. | 2.79 | 1.12 | Nabata |
| | **Oke nha** | **3.69** | **1.13** | **Nabata** |

Nchọpụta e mere n'okpokpo 3, gosiri na ndị nyere azịza nabatara okwu nchọcha niile 11, 12, 13, 14 na 15 n'ihi na ha nwere nha dị elu karịa 2.50, oke nha karịkwara 2.50, nke na-egosi na ndị nyere azịza nabatara na iwepụta ụbọchị ha ga-enwe emume ndị Igbo na taam ọ bụla na-enye aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ.

**Ajụjụ nchọcha 4:** Kedu otu inye ụmụ akwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo ego mmachi akpa ga-esi nye aka ime ka ha na-enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo na mahadum?

**Tebulu 4: Mgbakọ nha mwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo site n'inye ego mmachi akpa**

| S/N | Okwu nchọcha | Miin | S.D | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 16. | Ịdị na-ebuli ụgwọ ọnwa ndị nkụzi kwa mgbe kwa mgbe | 2.73 | 1,06 | Nabata |
| 17. | Inye ha ego ụgbọala | 2.80 | 1.17 | Nabata |
| 18. | Ịkwụrụ ha ụgwọ ebe obibi | 2.90 | 1.14 | Nabata |
| 19. | Inye ha ego nchekwa ahụ ike | 2.64 | 1.25 | Nabata |
| 20.. | Inye ha ego nri nakwa ụmụ ihe nrite ọzọ dị iche iche | 3.21 | 1.00 | Nabata |
| | **Oke nha** | **2.81** | **1.00** | **Nabata** |

Nchọpụta e mere n'okpokpo 4,gosiri na ndị nyere azịza nabatara okwu nchọcha niile 16, 17, 18, 19 na 20 n'ihi na ha nwere nha dị elu karịa 2.50, oke nha karịkwara 2.50 nke gosiri na ndị nyere azịza nabatara na inye ụmụ akwụkwọ ego mmachi akpa na-enye aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.

**Ajụjụ nchọcha 5:** Kedu otu iweta ndị nkụzi aka siri ike, ndị mara nke ekwe na-akụ n'asụsụ Igbo ga-esi nyee aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo?

**Tebulu 5: Mgbakọ nha nke mwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo site n'iweta ndị nkụzi aka siri ike n'asụsụ Igbo**

| S/N | Okwu nhọcha | Nha | Ndịpụn'izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 21. | Inwe ndị nkụzi ga na-enye ụmụ akwụkwọ ndumọdụ. | 2.67 | 1.05 | Nabata |
| 22. | Inwe ndị nkụzi ga na-edepụta akwụkwọ ọgụgụ Igbo. | 2.80 | 1.15 | Nabata |
| 23. | Inwe ndị nkụzi ga na-enyocha kurikulum. | 2.79 | 1.24 | Nabata |
| 24. | Inwe ndị nkụzi nke ụmụ akwụkwọ ga na-enomiri n'ihe gbasara asụsụ Igbo. | 2.98 | 1.16 | Nabata |
| 25.. | Inwe ndị nkụzi asụsụ Igbo ga-abụ ihe nlere anya nye ụmụ akwụkwọ. | 2.94 | 1.19 | Nabata |
| | **Oke nha** | **3.69** | **2.00** | **Nabata** |

Nchọpụta e mere n'okpokpo 5, gosiri na ndị nyere azịza nabatara okwu nchọcha niile 21, 22, 23, 24 na 25 n'ihi na ha nwere nha dị elu karịa 2.50, n'otu aka ahụkwa, oke nha dị elu karịa 2.50 nke na-egosi na ndị zara azịza nabatara na inweta ndị nkụzi asụsụ Igbo aka siri ike na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na-enye aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ ịgụ asụsụ Igbo na mahadum.

**Nchịkọta nchọpụta ga**

A chịkọtara ihe a chọpụtara n'ụzọ dị otu a:

1. Ndị zara njụmaza nke nchọcha a kwekọrịtara na inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu na-ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.

2. Inye ụmụ akwụkwọ ọrụozugbo ha gụchara akwụkwọ na-ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo

3. Inye ụmụ akwụkwọ egommachi akpa na-ewulite mmasị ha n'igu asụsụ Igbo.

4. Iwepụta ụbọchị a ga-enwe emume ndị Igbo na taam ọ bụla n'ụlọ akwụkwọ na-ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.

5. Iweta ndịnkụzi aka siri ike n'ihe gbasara asụsụ Igbo na-ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.

**Ụbụbọ banyere nchọpụta ga**

Ihe ndị a chọpụtara gosiri na inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu na-eme ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ịgụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ n'ihi na inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu na-akpalite mmụọ ụmụ akwụkwọ ịmụta asụsụ Igbo. Nchọpụta a dabara na nchọcha Alimi (2017) mere. Ọchọcha a mere nchọcha iji chọpụta etu a ga-esi wulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ mgbakọ na mwepụn'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Ikọm na steetKrọọs Rịva. Ọ chọpụtara na inye ihe ọmụmụ nke mgbede n'efu maka mgbakọ na mwepụ na inye ohere ịgụ ya na mahadum bụcha ihe ọchọcha jiri wulite mmasị ụmụ akwụkwọ ịgụ mgbakọ na mwepụ.

Ọzọkwa, inye ụmụ akwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo ego mmachi akpa, iwepụta ụbọchị ụlọ akwụkwọ ga-enwe emume ndị Igbo na inye ihe nrite na taam ọ bụla na inwe ndị nkụzi akasiri ike na nkụzi na ọmụmụasụsụ Igbo ga-ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo. Nchọpụta ndị a kwadoro Nwachukwu (2019) na Adeyemi (2018) ndị mere nchọcha ịchọpụta nka nkụzi a ga-agbaso n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Frẹnch na Yoruba n'ụlọ akwụkwọ ndị sekọndịrị na steet Abịa na Ọyọ.

**Mmechi**

Ihe a chọpụtara na nchọcha a na-egosi na inye ohere ịgụ akwụkwọ n'efu n'ogo mahadum, inye ụmụ akwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ego mmachi akpa, ịkwụ ndị nkụzi ụgwọ ọnwa pụrụ iche, inye ndị gụrụ asụsụ Igbo ọrụ ozugbo ha fechara ala nna ha, iwepụta ụbọchị a ga-enwe emume ndị Igbo na inye ihe nrite na inweta ndị nkụzi aka siri ike na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo bụcha ihe ga-eme ka ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ha ga na-emekwa nke ọma n'agụmakwụkwọ ha. Ya mere ọ dị nnukwu mkpa ka a na-ewebata mkpalite mmụọ ndị a n'agụmakwụkwọ nke ga-eme ka mmasị ụmụ akwụkwọ anyị n'ọmụmụ asụsụ Igbo ghara ịda mba.

**Aro**

Site na nchọpụta e nwetara, a tụpụtara aro ndị a:

Ndị ọchịchị kwesiri ịdị na-enye ndị na-agụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ohere ịgụ akwụkwọ n'efu.

E kwesiri ịdị na-enye ụmụ akwụkwọ ndị na-agụ asụsụ Igbo ego mmachi akpa nke ga-eme ka ha na-enwe mmasị n'agụmakwụkwọ ha.

Inye ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ogo mahadum ọrụ ozugbo ha gụchara akwụkwọ ha, fechaa ala nna ha.

A ga-enwe ụbọchị a họpụtara maka emume ndị Igbo na inye onyinye / ihe nrite, nke ga-enye aka ewulite mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ndị ọchịchị kwesiri ịdị na-enye aka n'inweta ndị nkụzi asụsụ Igbo tozuru etozu. Nke a ga-enye aka wulite asụsụ na omenala Igbo na Naịjịrịa.

**Nrụmaka**

Adeyemi, O.O.(2018). Measures to attract the interest secondary school students in studying Yoruba language.Arụmarụ*M.Ed*, Mahadum Steet Legọs, Ojo

Alimi, J.O.(2017). Strategies for attracting the interest of the students in studying Mathematics in secondary schools in Ikom Education zone of Cross River State.Arụmarụ*M.Ed* Mahadum Kalaba, Steet Krọọs Rịva.

Cole, G.A. (2014). *Management, Theory and Practice*. London:ELBS,

Denga, D.I. (2015*). Management, Psychology in Business and Educational Administration.* Calabar: Rapid Educational Publishers Ltd.

Durbin, F. (2018). *Pay and perform: Compensation and performance.* New York*:*Appraisal Prentice Hall,

Hornby, A.S. (2020). *Oxford Advanced Learners Dictionary, 10th Edition*. Oxford University Press.

Naylor, J. (2012). *Management.* Harlow: Prentice Hall.

Nwachukwu, B.O. (2019). Strategies for attracting the interests of Secondary school students in the study of French.Arụmarụ*M.A.*,Mahadum Pọt Harcourt.

Nwigwe, N.  (2021). Effectiveness of storytelling on Reading comprehension and written production of indigenous language (Igbo) learners in primary schools in Ẹbọnyị State, Nigeria. *Journal of Education and Practice* 12 (23), 37-41.

Nwigwe, N. &  Ndem, J.U.(2022). Extent of the utilization of Indigenous language (Igbo)in teaching and learning of Agricultural science at the junior secondary schools. *International Educational Scientific Research Journal*. 8 (7), 66-73.

Nwigwe, N. (2022). Inhibition in Igbo language $L_2$ Speaking Classroom and the strategies to overcome it. *Nigeria Journal of Trends in language Arts and social sciences Education*. 1(4), 75-80.

Nwude, J. S. (2017). *Infrastructional Supervision*. Calabar: Ojemba Printing Press Ltd.

Palmer, T. (2017). *Organizational Behavior*. Chicago: Dryden Press,

Skinner, B.F. (1972). *Beyond Freedom and Destiny*.NewYork: Alfred Knoft.s

Truby, D. (2010). *What is motivation*? London:Pitman.